
# IGBO CATHOLIC COMMUNITY, NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 5TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR C)
## SUNDAY, FEBRUARY 10, 2019

**HYMNS:**



**ENTRANCE:** K'ANYI KPOO ISI ALA…..

**OFFERTORY:** OGOZIE GI KELEE YA/ONYINYE OMA

**CONSECRATION:** EARTHLY GIFTS

**COMMUNION:** AGUU GI N'AKPO MKPURU OBI…

**POST COMMUNION:** O SACRAMENT MOST HOLY

**DISMISSAL:** VIRGIN, NNE DI NSO

**UKWE MBATA**

Bianụ k'anyị sekpuoro Chukwu.  Ngwanụ k'anyị kpọọ isi ala n'ihu Osebụrụwa Onye kere anyị, n'ihi na Ọ bụ Osebrụwa Chukwu anyị. (Abụ 94:6-7)

**EKPERE MMEGHE**

Were obiọma gi na-enweghi atụ chekwaba ezi-na-ụlọ gi, O Osebrụwa,  ebe ọ bụ na nchekwube ya niile di n'amara gi si n'eluigwe, biko, mee ka o na-enwe nchedo gi oge niile.  Site na Dinwenụ anyị Jesu Kristi Nwa gi, onye gi na ya di ndụ, na-achi n'ịdịkọ n'otu nke Mụọnsọ,otu Chukwu site n'ụwatụwa nile. Amen.

**IHE ỌGỤGỤ NKE MBỤ (AỊZAYA: 6:1-8)**

*Ihe ọgụgụ e wetara n'Akwụkwọ Onye Amụma Aịzaya*

*Isi Okwu: Anọ m ebe a, ziga m.*

N'afọ nke eze Uziya nwụrụ, ahụrụ m Chineke ka Ọ nọkwasara n'elu ocheeze nke dị elụ, ebube ya jupụtakwara ụlọnsọ ahụ. Ndị Mmụọọma guzoro n'elu ya; Mmụọọma ọbụla nwere nku isii; abụọ n'ime nku isii ndị a ka ha ji kpuchie ihu ha, werekwa abụọ ọzọ kpuchie ụkwụ ha, ebe abụọ ọzọ ka ha ji efe efe. Ha na-eti, "Nsọ, Nsọ Nsọ ka Chineke nke igwe ndịagha dị; Ebube ya jupụtara n'elu ụwa niile. Ụda olu ha mere ntọala niile nke ụlọ nsọ ahụ maa jijiji; anwụrụọkụ jupụtakwara n'ụlọnsọ ahụ. M wee sị, "Efuola m; leenụ ụdị ọnọdụ ọjọọ m nọ n'ime ya! Maka na abụ m onye egbugbereọnụ ya rụrụ arụ ma nọrọkwa n'etiti ndị egbugbereọnụ ha rụkwara arụ. Anya m ahụla eze, Chineke nke igwe ndịagha."

Mgbe ahụ, otu n'ime ndị Mmụọọma ahụ fekwutere m, o jikwa n'aka ya otu icheku ọkụ nke o ji ihe gụta n'ebe nchụaja. O wee metụ m icheku ọkụ ahụ n'ọnụ sị: 'Lee, nke a emetụla egbugbereọnụ gị; ya bụ na e kpochapụla ikpe ọmụma gị niile; a gbagharala gị njọ gị niile." M wee nụ olu nke Chineke ka ọ na asị, "Ọ bụ onye ka m ga-eziga; onye ga-ejere anyị ya bụ ozi?" Ozigbo m zaa sị, "Anọ m ebe a, ziga m."

*Okwu nke Oseburụwa*

**ABỤỌMA NA AZIZA (PS 137:1-2.3-4.5-8 R/.V.1)**

Azịza: Aga m agọzi Gị n'ihu ndị Mmụọma, O Dịnwenu.

1. Dịnwenu, eji m obi m niile kelee Gị. Ị nụla okwu ọnụ m nille. Aga m agọzi gị n'ihu ndị Mmụọma; aga m esekpuru Gị n'ihu ụlọ Nsọ Gị (A)
2. Ana m ekele Gị maka ịkwudosi ike na ịhụnanya Gị, nke karịrị ihe niile anyị maara maka Gị na mbụ. N'ụbọchị m kpọrọ oku, Ị zara m, Ị bawanyere ike nke obi m. (A)
3. Ndị eze niile nke ụwa ga-ekele Gị oge ha nụrụ okwu ọnụ Gị. Ha ga-ekwe ukwe banyere ụzọ nke Dịnwenu: "Lekene ka ebube nke Dịnwenu si buo ibu." (A)

4. Ị na-esetị aka Gị na-azọpụta m. Aka Gị ga-emere m ihe niile. Onyenweanyị, ịhụnanya Gị dị ebeebe O Dịnwenu. E kwekwala ka ọrụ aka Gị laa n'iyii
(A)

**IHE ỌGỤGỤ NKE ABỤỌ (1 Ndị Kọrint 15:1-11)**

*Ihe ọgụgụ e wetara n' Akwụkwọ ozi mbu Paul dị asọ degara ndị Kọrint*

*Isi Okwu: Mọbụ m, mọbụ ndịọzọ, otu a ka anyị siri kwusaa, otu a ka unu sikwara kwere.*

Ụmụnna m, achọrọ m ichetara unu maka oziọma ahụ nke m ziri unu na mbụ, nke unu natakwara, nke okwukwe unu na-akwụdosikwa ike na ya. Ya bụ okwu nke oziọma ahụ, nke m kwusaara unu jisienụ ya ike. Ma ọ bụghị otu a okwukwe unu bụ ihe efu. Ahanyere m n'aka unu na mbụ ozi ahụ m natara idobe, ozi nke dị oke mkpa: Na Kristi nwụrụ n'ihi mmehie anyị niile, dịka Akwụkwọ nsọ si kwuo; na e liri ya, ma Chineke mere ka O si n'ọnwụ bilie n'ụbọchị nke atọ, dịka Akwụkwọ Nsọ si kwuo; na O mere ka Sefas hụ ya anya; O mekwara ka ndịozi iri na abụọ hụ ya anya. E mechaa, O mere ka ihe karịrị narị mmadụ ise ndị ụmụnne anyị hụ ya anya n'otu mgbe. Ọtụtụ n'ime ha ka dị ndụ, mana ụfọdu n'ime ha anwụọla. E mechaa ọ bịakwutere Jemis, bịakwutekwa ndị ụmụazụ niile. N'ikpeazụ, dịka nwa a mụkworo amụkwo, O mekwara ka mụ onwe m hụ ya anya.

Mụ onwe m dịkarịchara nta n'etiti ụmụazụ, ekwesịghị m ka a kpọọ m nwaazụ, n'ihina esogburu m Nzukọ Chineke. Ma site n'amara nke Chineke, abụ m ihe m bụ. Ọ pụtakwara ihe n'ọrụ m na amara ya nke O nyere m abụghị n'efu. Kama arụsiri m ọrụ ike karịchaa ụmụazụ ndịọzọ. Ọ bụ ezie na ọ bụghị n'ike aka m kama site n'amara nke Chineke nyere m, Mọbụ m, mọbụ ndịọzọ, otu a ka anyị siri kwusaa, otu a ka unu sikwara kwere.

*Okwu nke Oseburụwa.*

**MBEKU (MT 4:19)**

Aleluya, aleluya!  Dịnwenụ kwụrụ sị, sonụ m! Aga m eme unu ndị ọkụ mmadụ."  Aleluya

**OZIỌMA (LUK  5:1-11)**

*Ihe ọgụgụ nke a si n'Oziọma dị asọ nke Luk dere.*

*Isi Okwu: Ha hapụrụ ihe niile, sobe ya*

Ka Jesu guzo n'ọdọmmiri Genesaret, oke igwe mmadụ zukọrọ na-adagide ya ka ha nụrụ okwu Chineke Ọ hụrụ ụgbọmmiri abụọ n'ụsọ ọdọmmiri ahụ; ma ndị ọkụazụ esila n'ụgbọ ahụ pụọ na-asa ụgbụ ha. Ka Jesu banyere n'ime otu ụgbọ ahụ, nke bụ nke Saịmọn, Ọ gwara ya ka o si n'ala kwọpụ ụgbọmmiri ya ntakịrị. O wee nọdụ ala, sị n'ụgbọmmiri ahụ na-akụziri ndị mmadụ ihe.

Mgbe Jesu kwubiri okwu, Ọ gwara Saịmọn sị, "Nupu ụgbọ gị n'ogbummiri wụnye ụgbụ gị maka igbụ azụ" Ma Saịmọn zara sị, "Nna anyị ukwu, anyị dọlịrị abalị niile n'enwetaghị ihe ọbụla, mana otu Ị siri kwu, aga m awụnye ụgbụ m niile." Mgbe ha mere nke a, ha kụtara oke igwe azụ nke mere na ọ fọdụrụ ntakịrị ka ụgbụ ha dọkaa. Nke a mere ha ji kpọọ ndị ọkụazụ ibe ha nọ

n'ụgbọmmiri nke ọzọ ka ha bịa nyere ha aka. Ha bịara gbujuo ụgbọ abụọ ahụ azụ, nke mere na ụgbọ ha malitere imikpu. Ma mgbe Saịmọn Pita hụrụ nke a, ọ dara n'ụkwụ Jesu na-ekwu sị, "Sị n'ebe m nọ pụọ, n'ihina abụ m onye njọ, O Dinwenụ m."N'ihina o juru Pita na ndị ya na ha so anya ihụ ọtụtụ azụ ndị a ha gbụtere. Otu a ka o mekwara  Jemis na Jọn, umu Zebedi ndị ha na Saịmọn bụ ndị nnwekọ Jesu zara Saịmọn sị, "Ụjọ atụla gị, site ugbu a gaba, ị ga na-akụta mmadụ." Mgbe ha kwọpụtara ụgbọ ha n'elu ala, ha hapụrụ ihe niile, sobe ya

*Oziọma nke Oseburụwa.*

**EKPERE NHUNYE**

O Osebrụwa Chukwu, I mebere ihe ndia ekere eke ka ha wee kwanite adịghị ike nke anyị, mee, anyị n'arịọ gi, ka ha ghọrọ anyị ugbua, sakramenti nke ndu ebeebe.  Site na Kristi Dinwenụ anyị.

**UKWE ORIRI NSO**

Ka ha kele Dinwenu maka ebere ya, maka ọrụ ebube ya n'ebe umu mmadụ nọ, maka na ọ na-enye mkpụrụ obi akpiri na-akpọ nkụ mmiri, na enyekwazi ndị agụụ na-agu ezi ihe.Abụ 106:8-9)

**EKPERE ANATACHA ORIRI**

O Chukwu, ọ bụ ihe di gi mma k'anyị niile keta oke n'otu achịcha, ya na n'otu iko: mee, anyị na-arịọ gi, k'anyị na-ebi ndụ nke ịdikọ n'otu na Kristi, k'anyị wee jiri anụrị mịta ezi mkpụrụ maka nzọpụta nke ụwa nile. Site na Kristi Dinwenụ anyị.